***Vol II No. 14***

***January 2000*** *(Igbo)* ***CHANGE Radio***

# *Nmepe*

NRI/IZU ANU AHU

**Otu un Ejikoola Madagasca na Vietnam Na Amuma Oru Ngo Erimeri** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise na otu** **11**
*Madagascar na Vietnam ka ejikoro onu na ogbe, ndida ndida maka nkwado oru mmepe.*

**Mbibi Nke Mmadu: Butere Oke Nwu** **Iri Tinkom ano na asato** **15**
*Umu akuko si n'aka otu oru ugbo.*

**INyom Afrika Agbasorola Usoro Ohuu Eji Ebu Agha Aguu** **Nkeji ato na Tinkom iri na ato** **7**
*Inyom mba kenya eweputala usoro ohuu banyere oru ubi.*

USORO AHU IKE

**Onye jibu okwa minista na Naijiria ekwueala ka ka ebue agha banyere oria Nmikpo.** **Nkeji ise na Tinkom ano** **8**
*Onye jibu okwa minista usoro ahu ike enyela okwu agbami ume nyere onye isi obdo Naijiria bu President Olusegun Obasanjo itughariri agha banyere Oria mmikpo.*

**Mawaputala Nari Nde U.S Dolla Asana Iri Ise Maka Nkwado Agha Mkpochapu Oria Umuntakiri** **Nkeji abuo na Tinkom iri na ise** **4**
*Bill Gates etinye kwuela ego maka oru nyocha na Nchikota Umu Oru Ogwu*

**Umuntakiri Esonyekwuela Na Agha Mkpochapu Oria Mmikpo** **Nkeji abuo na Tinkom iri na asato** **6**
*Umuntakiri achoola uzo ikwu uche ha banyere oria mmikpo a.*

NDI NMADU

**Enweela Ubara Ndi Nke Na Eweghi Nne Na Nna N'etiti Afrika** **Otu Nkeji na Tinkom ano** **15**
*Enwela otutu umuntakiri N'ime Afrika Oge Ugbua Karia ka o di na mbu.*

**UN na akwado oke nwere onwe nke ndi ahu Ezughi Oke** **Iri Tinkom ano na abuo** **15**
*Enwere okara ijeri ndi ahu na ezughi oke n'etiti uwa.*

MBO

**Kenya No Na Atumatu Itinye Nani Odu Ugbo Mmiri Ha Nwere Na Ahia Mgbere** **Otu Nkeji na Tinkom abuo** **15**
*Isi ochichi Kenya no ugbua na amuma itinye nani odu ugbo mmiri had nwere n'usoro ahia mgbere n'ihi oke iri ngari.*

AZUMA AHIA

**Kofi Annan Ekwueala Okwu Meghidere Enweghi Ezi Udo Mekorita Aju N'azuma Ahia Nke Etiti Uwa** — **Otu Nkeji Iri Tinkom ise na asato** — **5**

*Amaala okwa nyere obodo ndi nke bara uba n'umu obodo ndi a daara mgbenye ga akwusi azuma ahia Nke di n'etiti ha ma oburu na obara ya uru.*

## Gburu-gburu

NTA OKU

**Ulo Oru Mbo Nke U.K Na Etinye Aka Na Mmiri Onunu Nke South Afrika** — **Nkeji aburo na iri tinkom ano** — **6**

*Otu ulo oru mbo bu oka ibe banyere Mmiri onunu na egobi otu ulo oru ogbo ya Nke no South Afrika maka ibupute aka oru ya ihe n'etiti Uwa nile.*

NCHE - KA

**Enwela Ihe Nketa Umu Okpu Ohuru Na South Afrika** — **Nkeji abuo na iri Tinkom ato na asa** — **11**

*Na South Afrika Kwazulu aburula ogbe ihe Nketa Okpu Ohuru.*

**Amuma Iwu Ojuru Na Choo Imebi Nnuknu Oke Ohia Nmiri Ozuzo Nke Etiti Mba Uwa** — **Otu Nkeji iri Tinkom ano na asato** — **5**

*Umu aririo nile Nke ndi oru Ugbo na acho Imebi umu uru nile Nke ana enweta na Brazil.*

MBIBI

**Ekere Chi Uwa Emesiela Steeti India Ike** — **Iri Tinkom ano na ano** — **14**

*Orisaa Nke Ikpere mmiri India echerela aka ghoro chi ekere Uwa.*

NYUTOO

**Nche-Kwa Umu Ihe Ruru Iyin Nke Ime Obodo Na Amubanye N'uru** — **Nkeji asato na iri tinkom abuo na abuo** — **9**

*Nyocha Nke emere n'etiti obodo asato na etoolite etoolite bu ndi nke sonyere n'aka oru Nchikwa umu ihe iyin gosiri umu uru ndi ime obodo na erita.*

NDU OKE OHIA

**Japanes Aturu Mkporo Na Thailand Agbala Onwo Ya Ume Na Mgbere Ahia Urukububa Na Ghana** — **Otu Nkeji na iri Tinkom ano na ato** — **12**

*Ghanaians amurula ahia umkububa.*

**Umy Oria Aburula Nso Gbu Nyere Onu Ogugu Odum Na South Afrika** — **Nkeji abuo iri Tinkom abuo na otu** — **4**

*Ogbe Kruger Na South Afrola na ebu agha, ukwara nta seelitara isi.*

**Ntuteghari Umu Nkita Ohia N'ime Afrika** — **Otu Nkeji Tinkom iri na itolu** — **7**

*Nkita oke ohia Nke Ethiopia di na Njikere Igbanari nsogbu nke ndu oke ohia.*

**Umu Ije Mmasi Ikwesiri Imee, Hu Ma Mata** **Nkeji abuo Tinkom iri na isii** **6**
*Obere Njem n'usoro ndu di iche iche na umu ihe ndi ozo n'etiti oke ohia.*

## *Ngalaba Umuntakiri*

**Oke Beekee Na Umu Odum** **Nkeji asa, iri Tinkom ise na isii** **13**
*Nwa obere oke bekee mere ka umu Odum na akpa nganga rube isi.*

**Enweghi Azu Nyere Hippo** **Nkeji abuo na otu Tinkom** **12**
*Hippo turu izu ihu na obiri na ebe kacha mma bu osimmiri.*

**Kedu Ka Agwo Si Ari Elu Enweghi Ukwu** **Iri Tinkom abwo na itolu** **12**
*Mgbe ufodi mkpekere azu ya na aru oru, ka ukwu.*

**Usoro Itu Ahia Nche-Kwa:- Nwere Oke Uwa** **Iri Tinkom ato na isii** **13**
*Elu uwa nwere ike igbawa ma oburu ibu ka ya akuku bu ndi mmadu.*

**Kedu Ihe Agu Ji Ezoo Nri Ya Na Elu Osisi** **Otu Nkeji iri Tinkom ise na ise** **14**
*Ji mbu ree oku, nke abwo eri ya na egheghe.*

AKUKO

**Amawaputala Nari Ndu U.S. DOlla Asa Na Iri Is Maka Nkwado Agha Mkpochapu Oria Umuntakiri** **Nkeji abwo na Tinkom iri na ise**

Otu akporo Global Alliance for Vaccines na Immunization (GAVI) ewelite kwueala aka onu ego Nkwado agha mkpochapu umu oria na egbuwe umuntakiri n'etiti obodo ndi ahu na etoolite etoolite. Ekeele diri Bill na Melinda Gates Foundation bu ndi Nke mawaputara otu nari US Dolla na iri ise kwa afo nyere afo ise odi n'ihu bu kwa nke achikota onu nyere nari Nde US Dolla asa na iri ise n'ime onwa iri na otu gbara iri mkpuru abali abuo na ano. Nkesa onu ego a ga amalite na iri mkpuru abali ato na otu nke onwa mbu n'afo.

Site na ego agbam ume a, GAVI atuputaala amuma ohuru Nke ga amalite n'ime onwa mbu iri mkpuru abali ato na otu. Umu isi Okwu amuma ndi'a gunyere.

- Aga eji oso eweputa umu ogwu ogbugba na ndi Nke metutere make Nkwalite usoro onodi ahu ike umuntakiri n'etiti obodo ndi ahu na etoolite etoolite.
- Jiri oso weeputa umu ogwu ogbugba ohuru
- Nwe mubanye umu ogwu ogbugba na agbanye ego olee odaara.
- Kwalite kwue usoro nweta umu ogwu ogbugba ndia, ha na.
- Ime ogwu ogbugba ndia ibu isi okwu bu nkeaga inwe ike nweta n'etiti ogbe obodo ndi na etoolite etoolite.

Ndi otu GAVI di ike oru ihu na eji mkpa akwukwo n'umu, ogwu ogbugba ohuru ruo oru n'etiti obodo ndi nke na etoolite etoolite. Ndi otu ya gunyere United Nations Children's Fund (UNICEF) Otu Usoro ahu ike Nke etiti Mba Uwa, (WHO) ulo oba ego Nke mba Uwa, Bill and Melinda Gates Children's Vaccine Programme, Otu Rockefeller Foundation, Ulo oru mbo ogwu ogbugba, tinyere otu nidi ozo.

Na nkowa amuma GAVI banyere iji oso eso ogwu ogbugba, Otu UNICEF kwuru n'onu ego Nke etinyere di mkpa igbochi umu oria. Otu United Nations mere ka amata n'obughi nani na ezere umu ulo ogwu na ogwugwo, ma achikota kwa ezi nri, n'ogwu ogbugba bu isi okwu di'nnukwu mkpa nyere usoro ahu ike idi ndu nwata obula na mmalite ndu ya. Umu oria Nke ogwu ogbugba kwesiri igbochi gunyere oria akpiri na efeefe, Portussis, Oria osisee, oria mkponwu ahu, Alubara na Ukwara nta. Otu UNICEF ekwueala na ewunyela umu, ulo na ihe ndi Nke gaa enyere umu, mkpochi oria ndia. GAVI ga enye aka ebe obodo ndi na etoolite etoolite no igbochi umu oria ndi ozo Nke gunyere hepatitis B na iba ocha na anya

*UNICEF.*

**Umu Oria Na Ebu Agha Ebe Onu Ogugu Odum No Na Mba South Afrika** **Nkeji abuo, iri Tinkom abuo na otu**

Umu onu ogugu odum Nke ogbe ihe NteetaKruger Soth Afrika no na Nsogbu n'ihi oria ukwara nta Nke ji oso ebu ndu oke ohia. Oria si n'umu, ehi ulo wee bata n'ime afo1960 bu Nke meetutere anu ohia na ogbe ndida nleeta bu kwa ebe ihe kariri okara Puku abuo odum Nke kruger ogbe nleeta bi. Ka odi ugbua, amatabeghi onu ogugu umu anu di iche iche Nke oria metutere. Umu oke anu ohia na akwanye umu akwara n'ihu umu anu ndi ozo nke bu okwu dokinta Michael Woodford, Nke otu Nche kwa umu anumanu Nke etiti mba uwa.

Ewere odum dika anumanu na anaghi ebufe oria osisi nyere ibe ya. Ma ha na erikota nri onu bu ebe ha nwere ike na eri erimeri oke anu ohia bu Oria ma nweta oria a. Nke a bu okwu Woodford. Mbufe oria a n'etiti odum di ukwu. Nwa obere oru Nyocha akpukpa ahu emere n'etiti odum iri ato, Nchoputa gosiri iri percent itolu bu ndi oria ji aka.

Enwebeghi ogwugwo ma obu ogwu ogbugba iji wee gbochie Nkea. Ndi oru Nche kwa ogbe nleeta a na eche echiche ikeeaputa umu anu ndi Nke ahu siri ike na ndi nke bu oria. Umu oke anu ohia Nke no na ogba ka aga egbu iji kpochapu ogbe a. Ebe umu oke anu ohia ndia ka aga eji maliteegharia nduruga ndu oke anu ohia. Aga eme kwa oru nyocha imata alo olee ha ga no ka ekpochapuru ndi ahu bu oria. Uzo ozo bu igbu-chapu oke omu ohia Nke ogbe nleeta Kruger. Amam Okwa, Mark R. Stanely Price ji okwa Director Otu Ndu oke Ohia Afrika (AWK's) Afrika Operation Kwuru n'usoro onochi di mma, enwere ike inme oria n'etiti ndu oke ohia ma nke a bu otu aka ruta manu ozue ndi ozo. Ma akpachapughi anya na ndu umu anu-manu na ndu oke ohia na ebute nsogbu ndia.
*ANF*

**Amuna Iwu Ohuru Na Choo Imebi Nnukwu Oke Ohia Mmiri Ozuzo Nke Etiti Mba Uwa** **Otu Nkeji iri Tinkom ano na asato**

Ndi okacha mara banyere idoobe obodo ocha, emeela ka amata n'isi ochichi Brazil ehiwela iwu ohuru ga enye aka mkpochapu ala mmiri ozuzo Amazonian. Iwu ohuru a nyere ikikere ikuru ala dika obosara oru ubi na eneghi Nche-kwa ma otu. Ozo kwa ya bu inochi umu oke osisi na eche ndo n'umu oke osisi ndi ozo e si obodo ozo webata. o ga enye kwa aka mkpochapu nda gwurugwu na iyi ndi Nke eche kwara oge ugbu a.

Ndi Mmadu mere ka amata na nkea ga etinye oke ohia ala Mmiri Brazil na ihe iyi egwu. Otu n'ime ato oke ohia nke foro afo di na Brazil, ma Brazil ekpochapula okara ya. Robert Buschbacher ji okwa Director Ndu oke ohia Brazil mere ka odoo anya n'oburu n'iwu a ahu ihe, na oga agbanwoe usoro iwu amuma. Ozo kwa ya bu mmebi oke ohia Brazil foro afo n'ihi ikuru umu ala maka oru ugbo.

Emere ka amata na ndi otu kansul Etiti nke oru ugbo na agba mbo ihu na iwu a gafere maka ndi oru ugbo. Ha mere Nke a, o wee daa onye obula na mberede. Ndi otu Technical Chamber Nke Idoobe Obodo Ocha, mba Brazil ka egeghi nti ma otu. Obuladi onye Minista gburugburu bu Jose Sarney Filho esonyegi n'ububo iwu ohuru a, ma okwadoghi ma otu. Obu ezi okwu na ha nwere obere ohere, ndi oru okachaa mara idoobe obodo ocha na gba mbo ikwusi iwu a.
*WWF.*

**Kofi Annan Ekwueala Okwu Nke Meghid Ereenweghi Ezi Udo Mekorita Ahu N'azuma Ahia Etiti Mba Uwa** **Otu Nkeji iri Tinkom ise na asato**

Onye nnukwu ode akwukwo Nke otu United Nations bu kofi Annam agwala obodo ndi bara-uba ma mmepe anya iwepu umu ogbatu uhie ma meghepu usoro ahia mbupu n etiti obodo ndi na etoolite-etoolite, ma maa okwa na ndaghachi azu n'etiti obodo ndi a, ga ebute igba isi akwara. N'umu okwu nke okwadobere ndi otu azuma ahia nke etiti mba uwa bu onodi Nzuko nke ato ndi otu Minista nwere n'ime onwa iri na otu na Seattle, onye nnukwu ode akwukwo a nwere olilee anya n'onodi Nzuko a ga atoo mgboro-ogwu usoro ahia ngwa leere nyere ohere n'usoro onodi azuma ahia.

Ogwula nani ma emere ka obodo ndi na eloolite-etoolite meghepu onodi azuma ahia ya bu Nke ga abara ha uru, Nleeghara ya anya ga ebute inupu isi. Nke a ga bu nnukwu Nsogbu ga adaghide ya ma meetule kwa uwa nile. Annan bu onye Nke ekweghi ka oguputa umu ihe ndia n'ihi etu ndi Njeghariri iwe siri kagbue onodi Nzuko a, booro mba ndi mmepere anya ebubo na ha adighi anabata ngwa ahia obodo ndi na etoolite etoolite n'oma ahia ha. Ufodi obodo ndi mmepere - Emmpe na ekwuto obodo ndi na etoolite etoolite dika ndi nke na ebu ibu na adighi mma, ebe o bu ha na eme nke a, ma odiri ha ubara. Onye ode akwukwo a mene ka amata n'onodi azuma ahia nke etiti mba uwa na ebuwe Nsogbu ebe otutu nde puku nde ndi oru ugbo no.

Onweghi mgbe "azuma ahia okaghi enyem aka mma" Mazi Annan kwuru ka ebelata umu utu ana akwuwa n'etiti obodo ndi na etoolite etoolite. Maka umu obere obodo ekwesiri ikpochapu umu utu na oke ruwere ha kpam kpam. N'ima okwa ya, mazi Kofi Annan, gwara Obodo ndi'a mmepere Emmepe ka ha ghara igbo mkpa ha n'isi obodo ndi nke daara mgbenye n'onodi ita uta ndaghachi azu umu, usoro iwu azuma ahia nke etiti mba uwa.
*UNO*

**Umuntakiri Esonye Kwuela Na Agha Mkpochapu Oria Mmikpo** **Nkeji abuo na Tinkom iri na asato**

Mmeme Nke iri abuo banyere oria mmikpo n'etiti uwa nile malitere n'onwa iri na abuo ebe umuntakiri gosiputara onwe ha na oke olu ebe o bu ha ka oria kachaa emmetuteta. Enwere ihe Ngosi si sahel bu Nke umuntakiri deere. Usoro ihe Ngosi a di iri ato ka egosiri n'etiti mba Afrika ope kata mpe obodo iri Nke gunyere Naijiria. Akuko a gosiri n'anya umu aka mkpa mkpa oria mmikpo a kpara. Ihe Ngosi a bu uzo ihe ato na akuko akpa uche banyere oria mmikpo bu Nke aturu oka ibe n'etiti umu aka iseere mmadu n'etiti Nkeji Uwa. Ndi otu oru ihe mmeme Ngosi a, na Nkwado idoobe obodo ochia, kwuru na Scenarios si na sahel nleere anya n'umu, ihe Afrika ma buru kwa ihe itoo ochi. Emere ya n'asusu onye ga ghota bu kwa Nke aga atughariri n'asusu usoro omenala ndi ozo ga ghota kwa.

O bu ndi oru ngwa lere kwadoro asoroma mpi bu nke dakoro na mmeme oria mmikpo nke afo a. Isi okwu ya bu umu aka na umuntorobia Gee nti, muru, ma bie ndu. Enwetere Edee medee akuko kariri Puku iri na abuo gosiri n'umu aka Afrika nghotara Nke oma ihe bu oria. Ekeewaputara mpaghara iri ato anabatara umu akuko ndi a ejiri mee ihe Ngosi a. Ndi oru TVE ga ejichaa akuko edee m edee a di puku iri na abuo ruo oru ha na otu uzo ma obu ozo. Onweghi nke ga alaa n'iyi, umu akpa uche nile a ka aga achikota dika ihe okpu nyere ndi na etoolite-etoolite n'usoro asusu na mkpa odi iji kpochapu oria. Ndi otu nwere onwe n'umu okwu malite Nke scenarios si sahel na oru. Ngo a nabatara nkwado ndi ihe omume bu akwa akwuru si etiti Afrika. Aga achikota kwa ihe Ngosi iri ato a n'udi eji mebe ya ma tinye ya kwa ihe muta ma keesara ya otu obula na ahu ma o bu aru oro mgbochi Nje oria mmikpo a.

Ndi ngwa lere emeela ka amata ihe Ngosi ndia n'udi obula banyere idoobe obodo ocha na mmepe ma keesara ya etiti uwa nile site na Nzirita ozi CFC bu ngwa lere meere nnochite anya Naijiria.
*TVE*

**Ulo Oru Mbo Nke U.K Na Etinye Aka Ahia Mgbere Na South Afrika** **Nkeji Abuo iri Trinkom ano**

Ereele ulo oru mbo Envig Holdings Nke South Afrika na ahu maka mmiri onunu n'onu ego di Nde ato n'uma asa Pound Sterling nyere Weir Westgarth Nke Glasgow, Scotland. Ulo oru mbo weir si United Kingdom ka amara ama na aghanzi mmiri nnu oburu mmiri onunu na iji ruo oru n'ulo oru, mbo. Otu ulo oru weir kwuru na Nkuru ulo oru. Envig Holdings hiwere isi na Cape Town ma nwe ngalaba ulo oru na Botswana na Johannesburg ge enye aka inwe ulo oru. Nke aga akpo Weir Envig ga achikota akpa uche otu ulo oru abuo a.

Dika onu na ekwuchitere ulo oru a siri kwue aga enwe ulo eru ohuu Nke isi onodi oru ya bu Glasgow. Ha ga enyepu umu ihe nile Nke aga eji aghanzi mmiri a n'udi obula Nke gunyere ikekere oku, n'umu ihe ndi ozo usoro a gaa nabata amuma oru nta n'uzu Envigs bu Nke amara dika bio-reactors na Patented membrane products n'asusu bekee. Paul Capell ji okwa Managing Director Weir Westgarth ga bu kwa onye isi oche Weir Envig kwuru na Nzere oru. Nta n'uzu achoro iji wee waghide ubara mmiri ulo oru mbo na ezi mgbere ahia, bu Nke ha choro isonye Nke oma. Nkea ga enye kwu aka n'umu oru nka ha nwere onwe n'etiti Weir Westgarth na inye kwa ohere ebe ulo oru. Envig no n'etiti mba uwa.

Iji membrane bio-reactors na udi oru nta n'uzu aru onu mgbe ha di obere, ma ako n'uche ya buru ibu ma o buru na eleezie Nche kwa Njem mmiri n'etiti uwa na ogbe ya ma chee kwa onu ego olee okwesiri. Nkwekorita ozo Nke Weir kwuru bu irukoo oru onu n'etiti Envig na Weir Westgarth iweputa umu igwe oru Nke gaa na azaa mmiri nnu a (desalination plants) nyere ahia mba Afrika site na iji ezi oru nta n'uzu nke weir izaa mmiri saline dika ihe amatara dika reverse osmosis na multi-slage flash (MSF) oru nta n'uzu.

Envig, bu ako n'uche buru ibu igboo Nsogbu mmiri ojoo ma na emeputa kwa membrane Nke aka ya amara dika embratek aru kosala oru ha na ogbe onye ohuru si U.K. Ha abuo arukoola oru onu ka mgbe afo abuo gaara aga ma nyepu igwe izaa mmiri odi nso a nyere. Tukuta bu nlo oru na enye oku na Eskom Nke igwe enye m oku South Afrika. Igwe a na eweeputa Puku in na abuo na nari ise cubic metres kwa ubochi bu ezi mmiri.
*London Press Service*

**Ntuteghari Umu Nkita Ohia N'ime Afrika** **Otu Nkeji na Tinkom iri na itolu**

Enweala olilee anya ntuleghari ezi agburu Nkita, ohia si Ethiopia n'ime Afrika. Nchoputa odi nso a, gosiri na enwere ubara ya n'ugwu Wollo Nke mgbago ugwu Ethiopia. Nke a bughariri onu ogugu ndi di ndu isite na nari ano rue nari ise ma rue kwa nari isii na iri ise umuamumanu. Nkea nyere ohere mmnalite amuma Nche kwa ya. Otu onye oru ihe omimi kowara ya dika anu di uko, ebe aha ozo ejiri mara Nkita ohia Ethiopia by Simien Jackal. Mgbe mbu ahuru ya bu na nari afo iri na itolu n'ugwu Simien ebe onu ogugu ndi ahuru akari iri ise. Ebe enwere onu.

Ogugu otu nari na iri asato umu anumanu a bu na ugwu Bale ogbe ihe Nleeta Nke Odida Owuwa anyanwu Ethiopia. Nchoputa ohuru kau-wara Wollo dika mpaghara Nke abuo di oke mkpa maka Nche-Kwa Nkita ohia ma ugwu Bale weere chaa. Nkea bu Okwu Dokita Claudio Sillero - Zubiri si Mahadum Oxford bu onye isi ndu otu mere Nchoputa Nkita ohia n'etiti ogbe ano Nke Wollo. Nkea di mkpa Nkwalite anuma nile banyere Nche kwa umu anu ndia.
*AWF*

## *Ihe Ejiri Mara*

**Inyom Afrika Agbasorola Usoro Ohuu Eji Ebu Agha Aguu** **Nkeji ato na Tinkom iri na ato**

Otu Inyom enwere na Kenya ma mara dika Ivuso ya Mayatta egesiputaala usoro oru nta n'uzu ohuru eji akaputa erimeri n'etiti ime obodo ndi ahu daara mgbenye. Ivuso n'a asusu ha putari "Muo Njikoo" emeputaala Nke oma usoro di iche iche eji pigeonpeas egboo agha aguu. Mbu Inyom Ivuso a na nu Pigeonpea bu n'onu onye oru ihe omimi no oru n'a International Crops Institute maka ndi Nke nwere obere nwu ala (ICRISAT) ha na Kenya Agricultural Research Institute (KARI) waghidere oru ngo mmeputa Pigeonpeas nye Owuwa anyanwu na ndida Nke Afrika bu Nke ulo oba ego Etiti mba Afrika kwadoro. ha mutara n'umu mkpuru a juputara ma minerals, Vitamin, Fats na Protein ebe Okuko ya nyere aka baara uru ebe Obosara ala unwu no.

Eleere anya, na iri percent ato umu aka gbara afo ise n'ogbe sub sahara Nke Afrika ikuchataghi ume n'ihi na ihe oriri ha ebugi umu ume ndu n'ihe achoro na nri izu oke. Ha ga ka enwe uru iri pigeonpeas bu Nke bu minerals na okpukpo iri ihe eji adi aru karia peas Nkiti ha na eri. Uzo vitamin A ise na uzo vitamin C ato Peas daara onu ala karia anu ma buru kwa otu uzo esi enwe Protein. Site na Nkea, Ivuso rusiri oru ike ihu na akwadoro onodi ihe nri ha site na iri erimeri Pigeonpea n'etiti ndi ime obodo. Inyom na emewa achicha, na atu, kwa mgbere ahia bu Nke bu nnukwu pigeonpea; sorghum na millet karia achicha Nkiti. Anyi ebuliela onodi erimeri anyi na ogbe a bu onu mmiri okwu Diana Nzomo bu onye ntoo ala otu Ivuso a. Ndi ulo ro ICRISAT akwaliteela ozuzu n'oha na eze imata oria nta n'uzu erimeri, etu esi eme ya nyere ndi oru ugbo tumadi Inyom si India, Kenya, Malawi, Tanzania na Uganda ha ikwalite kwu onodi erimeri mkpuru a.

Pigeon Pea nwere ike irite onu ego mba ofesi ma o buru na onye obula amata anya. Enwere mgbere ahia ya na Asia, North Amerika, na Europe. Ka odi ugbua enwere mgbere ahia ya okpukpu abuo nyere ihe ndi oru Ugbo Kenya na akoputa. Ihe nile gbastara pea di nnukwu mkpa Okporo ya na enye aka imunye oku ha na Igba Ogige. Azu ya bu ezi erimeri nyere Umu anumanu, akwukwo ndu ya bu nri inyinya, Pigeon peas na ekuru ikuku nitrogen ma megharia oburu ezi nri ala Nke akporo nitrate.

Hectare pigeon pea nyere uru kwu na 40kg nri ala. Mgborogwu ya na ejisi ala ike ma beleta kwa ala ozize. Umu ihe ka mkpa nyere ihe akuku a bu na ona achoro onwe mmiri na nri iji wee mita mkpuru oge afo unwu. Udidi mere ndi oru ihe omimi jiri kwue na onweghi ihe akuku ubi nwere umu ihe nrita ndia onwere bu Nke baara ndi ogbe ala unwu no be ha aka.

*CGIAR NEWS*

**Onye Jibu Okwa Minista Na Naijiria Ekwueala Ka Gbadosie Nkeji ise na Tinkom ise Ukwu Ike Ibuso Oria Mmikpo Agha**

Akpokueala isi Ochichi Niagiria itinye kwu uchu na Nkwusi na mkpochapu oria mmikpo, site na Nkwado onu ego mgbasa ozi ha na ibeleta aka ngosi ndi mmadu bu oria mmikpo a. O bu okanmuta Olikoye Ransome-Kuti jibu okwa Minista usoro ahu ike na odi mma Nke umu mmadu na Niajiria kporo oku a n'ihe ogugu Nke oguputara na ihe mmeme kwa afo otu Founder's Day Lecture enwere na ogbe ezumezu Nigerian Institute of International Affairs (NIIA) n'ime onwa iri na abuo Nke afo. N'umu Okwu ya, Nsogbu nile Nke oria mmikpo ji aga n'ihu n'etiti Niajiria ya na Afrika kpu oku n'onu. Okanmuta Ransome-Kuti koro akuko etu esi so Nche kwa oria mmikpo a na Naajiria, bu Nke okowara na ego nkwado mkpochapu oria malitere site na otu nde naira wee rue Nde naira ise n'ime afo 1986 wee rue 1992. Nke a gbadatara site n'ime alo 1993 bu Nke gbadatara nari Puku ato naira n'ime afo 1999.

Ma etu osila di onu ogugu ndi mmadu Nke bu ori a mmikpo a riri site na percent abuo n'ime afo 1993 wee rue percent isii ri ime afo 1999. Na ntule ya, Senegal nwere akuko mbu banyere oria mmikpo n'ime afo 1986, Otu afo ahu ka Naijiria nwe kwara Nke ya, mana orughi otu percent onu ogugu ndi mmadu bu oria a. Ramsome-Kuti cheetara na onye isi mba Senegal bu Abdou Dionf ji oso buwe agha ya, ha na otu onye uka amara ama nye kwara aka mgbasa ozi ibeelata oria mmikpo a na obodo ya. Onye isi obodo bu Olusegun Obasanjo mawaputara iri nde naira ise maka ichee - kwa oria mmikpo n'etiti Naijiria. Ndi otu ulo Nzuko omebe iwu buliri onu ego a i bu otu nari nde naira Nke a bu iji wee kwado kwa onye isi ala, ma nuo iyi ibu agha mkpochapu oria mmikpo a na Naijiria. Ransome-Kuti rutugasiri aka ebe ekwesiri igbodo ukwu maka imita mkpuru oma mkpochapu oria mmikpo a. Ndia gunyere Ogwugwo ndi nne di ime, iri ngari izubata na nkeesa umu ogwu ndia, ndi umuntorobia na agba akwuna, ha na ndi Nke na aghotaghi Nke oma ihe banyere oria mmikpo.

Otutu umu aka amuru bu oria mmikpo a n'etiti uwa nile kachasi na Afrika, o bu ezi okwu na onu ogu Nke Afrika bu nani otu percent n'etiti uwa. Mana onu ogu ndi Inyom di ime bu oria mmikpo a na Naijiria esile na percent abuo n'ime afo 1992 wee rue percent isii n'ime afo 1992. Onu ogugu kachasinu bu oturkpo, Benue Steeti. Geidam, Yobe Steeti Kachasi nwe Obere onu ogugu ndi nne di ime bu oria mmikpo otutu n'ime ha na anwu onwu tupu mmene igba afo ise ha. Onu ogugu a di ukwu n'ihi ato n'ime ano ndi nne di ime adighi enwe ohere ihu ndi usoro ahu ike Nkea bu ono mmiri okwu Ransome-Kuti. Umuntakiri ndi Nke oria mmikpo a ji aka na-abughi na amuru ha n'ime ya nwetere ya site na igba akwuna na idaa oke ukpa. Nkea ka Ransome-Kuti kwuru bu nsogbo uwa nile. Enwere iri ato wee rue otu nari na. Iri asa umuntakiri okporo n'etiti uwa nile n'ihi Nsogbu aku n'uba. Ebe iri percent asato na ariu ajoo ogwu. nchoputa Nke emene gosiri na ndi isi aba okpu, na otu n'ime ano n'ime ha bu Nje na oria mmikpo. Nkea bu ndi Nke gbara onye abuo n'etiti ndi anwuna gbara ndi mbu.

Nsogbu oria mmikpo na akawanye njo n'udi agwa oha na eze na emeso ndi nke bu oria. Ndi nke bu oria a na eme ihere na ekwenyegi na ha bu ya. Ikwu n'ibe onye nke nwuru n'oria a, na ariowa dibia bekee ka oghara inye ha asambodo ihe gburu ndia ha. Ndi Nke nwetere oria na anwuwa n'ihi enweghi nleeta anya ebe ana enyo ezi n'ulo ha enyo. Udi ihe iriba ama oria na ebuwe, site na nleeli anya na eme onye Nke bu oria mmikpo a i no nwayo banyere Nsogbu wee nwuo ihe mgbu na ihere. Na' ozi Nke oguputara, Ransome-Kuti bara ndi isi ochichi etiti mba Afrika nile mba eji ego nkwado nche kwa oria mmikpo a eti egu.

Ezi mmefu onu ego nwere ike inye aka ebe ndi bu oria mmikpo n'etiti Afrika no ma zoo kwa ndu ha. Oruturu aka ebe ihe Nchoputa otu United Nations no, ebe ana enye ndi Nke bu oria mmikpo n'ime Afrika US Dolla iri abuo n'ime otu nari US Dolla amawaputara maka izuta ogwu. Isi ochichi obodo anyi bu Naijiria amaliteela amuma Nche kwa oria mmikpo site n'umu ozi nke ana agbasa n'igwe Redio ha na Ngwa-leere mana akpo oku ka oha na eze ndi Naijiria nyere ndi nile nke bu oria momikpo a aka ha ikute ume ndu, ebe ufodi ndi Nke butere oria Osighi ha n'aka.

*Obasi Ogbonnaya*

**Nche-Kwa Umu Ihe Ruru Inyin Nazi Amita Mkpuru Oma Nkeji asa na iri Tinkom ise na ato**

Nyocha aka oru banyere mkpofu umu ihe ruru inyin n'etiti obodo ndi mmepere emmepe gosiri na ime obodo itinye aka banyere Nkea mmitara ezi mkpuruoma Nke meetutere ahu ike na ntu ndu manu dika ndia:-

* Ezi onodi mkpofu ahihia na ezi n'ulo
* Mbeleta aka mkpofu umu ahihia na osimiri, okporo uzo ma o bu gbaa ha oku na.
* Mbelata Oke Ushu (isi) na esiwe na mkpofu ahihia n'etiti ogbe ime obodo.

Uru ndi ozo gunyere inye ndi mmadu bi n'etiti ogbe a ikikere isonye n'usoro nchikota oru a, ebe ihe banyere umu oria ofule umumtakiri belata kwara, enwere ubara ndi mmadu na aga mpochi Nke oha na eze n'okpu ulo obibi ha, ma belata kwa umu aka ndi Nke na ario aririo ebe ikpo ahihia no. Nchoputa oru Nyocha a sitere n'usoro oru ngo itolu Nke ehiwere na odida anyanwu Afrika na Asia, Ndi otu ogbe mmepe obodo mkpufu ahia hiwere isi na Netherlands ma nwe ego nkwado si n'aka Netherlands Directorate for Development Assistance (NEDA) n'ulo ministry na ahu maka mmekorita ahu anyi na etiti mba uwa.

Oru ngo a nwere umu nchikota akwukwo oru gosiri mbo ime obodo, otu obere ulo oru, gbara idoobe obodo ocha ha na mkpofu umu ahihia bu Nke nyere aka mkpofu na ikpoku ndi ime obodo mara Nke oma oru a maka Nkwado mmepe obodo nile. Oru ime obodo banyene mkpofu ahihia a nabatara ndi isi oru mara nke oma ihe eji umu ahihia ndia eme ndi obere n'ulo oru obere (MSEs) nogasi na otu Ogbe, ndi otu nwere onwe (NGOs) isi ochichi nne obodo otu Inyom ndi ahia di iche iche. Ndi ozo gunyere ndi eze odi n'ala, ndi Nze na ozo, ndi isi okpukperechi, ndi oru Nkuzi, otu ndorondoro na umuntorobia.

Oru Ngo ime obodo a hiwere isi n'umu obere ulo bu Nke bu otu nari puku ise wee rue puku ise ndi bi na ya. Ogbe ndia bu Djicoroni na ogbe Para Bamako, Mali, Ogbe Gueule Tapee, Dakar, Senegal, Ogbe Medina Fass n'ime Thies Senegal. Otu ogbe na Ouagadougou, Burkina Faso na Ogbe Siddharthapura Nke Colombo, Sir Lanka. Ogbe ndi ozo bu Nepal, Pakistan, Phillipines na India. Nkoowa aka oro mkpofu ahihia Nke obodo ndi mmepere Emmepe butere idi n'otu n'etiti ndi otu nwere onwe (NGOs) otu ndi ime obodo (CBOs) Obere na umu obere ulo oru na isi oru Okpuru ochichi ime Obodo. Idoobe obodo ocha nabatara usoro ochichi iwu, nkwado umu amuma a n'iwu idoobe ocha tinyere iwu ndi ozo ehiwere. Nsogbu nile Nke metutere idoobe obodo ocha, aka oru mkpofu ahihia, agum onu isi na enweghi ndi okacha mara nyene otutu ime ebodo nsogbu tupu ndi otu WASTE agbata oso enyem aka. Ndi isi oru ime obodo enweghi ngwa igwe oru, ego maka nhiwe umu iwu na mmejuputa ma mara ka osi aga. Enweghi ezi ntukwasi obi n'etiti ndi nwere oke n'ime ya bu kwa nnukwu Nsogbu.

Nkea mere otutu ndi mmadu ji ekpopu ahihia n'etiti okporo uzo, na ogbe ezum-ike ha na n'ime osimmiri. Ozi si WASTE KWURU na Nkea mere ejighi nwe Nche-Kwa mkpofu ahihia hi ba ubara. Ime obodo nwere nsogbu di nkwu, nleeghara anya n'onu ogugu di ubara. Ha enweghi, ezi uzo, Mmiri onunu, ebe mkpofu ahihia na ezi mmepe ebe obibi. Enwere iri mmadu ato n'otu onu ulo obibi na Gueule Tapee Daakar. Na karchi okara onu. Ogugu isi ndi mmadu na Ghousia ka ewere ka ndi enweghi ulo binyere mmadu.

Enwere Nkee wa oru n'etiti Odida Anyanwu Afrika. Nkea nabatara, umu obere, obere ulo oru, otu umuntorobia, na otu di iche iche no na ogbe ime obodo banyere Nchikota umu ahihia ohere ikikere ichere aka oru n'etiti obodo ndi mmepere emmpe. Na Dakar ya na Bamako Nari abuo umu obere oru, na ulo oru obere ka enyere oru Nchikota oru ma hazi onwe ha n'usoro etiti maka igboo odi mma Nke ha. Na Bamako ya na Cebu City Inyom were na Nke onwe ha ikpochapu, ebe nile idi ocha, idoobe obodo ocha ha ezi ahu ike. Nghota oru Ngo a, na etu osi aru oru gbara ndi nile nke sonyere na ya ume. Ezi mgbasa ozi nghota na Ghousia Colony mere ndi mmadu jiri weeputa onwe ha ikwado amuma. Mgbasa ozi a kowara etu ndi mmadu ga esi esonye na egba kwa ime obodo ume iruta uka na amuma. Udi usoro a mitara mkpuru oma na ouagadougou.

Ihe ozo bu otu onye kwue uche ya ehiwere nyere nnukwu aka n'usoro Nchikota oru mkpofu ahihia n'etiti obodo mmepe-emmpere. Ozi si na WASTE choputara na Nsonye na oru Ngo a na enyem ikikere agum onu isi sitere na usoro nrurita uka Nke oha na eze n'usoro odi n ala ha na onye obula ikwu uche ya. Enweghi usoro ndoro ndoro na Nkwusi usoro ochichi tinyere mgbawoe ntuli aka butere enewghi Ntukukwasi obi n'aka oru ndi ime obodo. Ukpa na enweghi ezi ebe obibi bu otu uzo eji esonye n'oru a. Onweghi ihe obula bu nke siri bukoro ndi mmadu onu ibu agha odi mma idi n'otu karia ujoo nkwapu na izoo onye nwe obosara ala ma obu imata onye Nke amara ama n'etiti obodo ndi mmepere emmepe.

Otu ihe muta di ime ya, bu na ndi mmadu isonye na aka oru mkpofu umu ahihia Nke gunyere otu na ndi Nkiti bu odi mma ha. Otutu ndi mmadu gosiri mmasi ebe enwere ohere iwee ndi mmadu n'oru Nzachaasi ma o bu Ikwo ugbo ala mkpofu ahihia. Ha daara mba mgbe ha matara n'onodi oru ndia gwuru dika esiri choputa na Quagadougou, Patan City, Senegal na Mali. Oru Ngo idoobe obodo ocha, nwvere ike iku afo n'ala ma oburu na ndi Nmadu Nke bi na ogbe a akwufughi ego oru ha. Nsogbu nwere ike iseelite isi ma oburu na idi otu, ndi oku ndi nkiti na otu ndi ozo enweghi ike immejuputa ihe ndia:-

- Ikeekota aka oru Ngo mkpofu ahihia ohiwere
- Inabata ndi mmadu isonye na malite oru a.
- Ihu na onye obula no na oru Nke enyere ya.
- Nwee mkpezi n'etiti ndi okwo ugbo ala na ndi oru ya.
- Inwe ezi Nzirita ozi n'etiti ime obodo, ma o bu
- Ihu na akwughi ndi okwo ugbo ala na ndi Nzachasi obere ugwo onwa.

Achoro ezi uzo di mma maka nkwado aka oru mkpofu ahihia n'etiti obodo ndi na etoolite-etoolite. Ezi amuma bu nke chikotara idoobe obodo ocha na itu ndu manu na obi maka oru Ngo a imita mkpuru oma, ezi aka oru, mgbasa ozi nghota ihe kwesiri nu. Na migbakwunye oga ebu ihe ndia:-

- O aga ebukota ndi Nkiti, oha na eze nime obodo ndi mara oru ma keesara ha usoro oru Kwesirinu n'etiti onodi oru obula, malite na usoro malite nchikota wee rue ikpe azu ya.
- Inabata oru nta n'uzu agba ohuu maka inweta ego na oru.
- Intinye ndi mgbenye ime obodo ugbua bu ndi Nke usoro aka oru mkpofu ahihia ime obodo mmepere emmepe na emetuteghi.

*UWEP*

**Enweela Ogbo Nleeta Ihe Okpu Ohuu Na South Afrika Nkeji abuo na iri Trinkom ato na asa**
Anabataala ogbe South Afrika Greater St. Lucia Wetland Park Nke Kwazulu - Natal isonye na ogbe ihe Nche-kwa n'etiti uwa, bu Nke buru oke mmeme na kwazulu Natal bu Nche kwa Ekere uwa (NCS) Nkea bu Nke mbu Nche kwa chi Ekere Uwa na agba na South Africa. Aga enye ogbe nleeta a Nche-kwa kachasi ebe aturu anya otutu ndi Njem Nleeta Ikpoturu ogbe a n'ihi onodi ya n'etiti uwa. "Enwere nnukwu onu mgbe anuruNkea" Nke a bu onu mmiri Okwu Dokita Hans Grobler ji okwa Dephty Executive NCS. Enwere otutu ndi South Afrika na ndi mba ozo di iche iche nwere mmasi nyere ogbe nleeta Greater St. Lucia Wetland na ndi Nke kwado kwara mbo nile ana agba ihu na eche kwara ogbe chi ekere uwa mgbe nile.

Onye Minista ulo oru Ugbo na ogige na Kwazulu Natal bu mazi Narend Singh gosiputara masi ya na ozi a Okwuru na oga enye nnukwu ohere ndi Njem Nleeghari anya ikpa n'etiti ogbe a ha na onodi ana m acho oru na kwazulu - Natal ikeete oke site n'aka ndi si obodo mmepere emmepe banyere Njem Nleeghari anya na itu ndu Manu. Ihe cheere anyi aka mgba bu nruzi ebe ndi Njem Nleere anya ga enwe mmasi ma ha bia, Nke mere St. Lucia jiri buru ebe puru iche. Mmepe ya ekiwesighi imetute chi ekere uwa ma otu.

Ogbe hectare nari Puku abuo na iri ise Nke St. Lucia Wetland gunyere St. Lucia, Odo mmiri St. Lucia na Mapulaland Marine Reserves, the Coastal Forest Reserve na Kosi Bay Nature Reserve. Ebe bu otutu ndi mmadu Nke gunyere ndi coral reefs, na Beaches, Coastal Forest nnu na mmiri ndu inyinya mmepe owa mmiri odoo St. Lucia mmepere onwe ya, obosara ala Ikpere mmiri na ala oke ohia okochi. Ogbe ebe nche okpu ulo buru ibu Nke onu ogugu isi hippos na otu Puku aguiyi na umu osisi ndu na nnunu. Umu aka oru ndi Njem Nleeghari anya gunyere oku azu, ikwo ugbo Nche nnunu, Scuba - driving, ije oke ije ha na ebe ezum ike. The a nile nyere ohere ndi osee photo isee umu ihe.
*RAMSAR.*

**Otu Un Ejikoola Madagascar Na Vietnam N'uru Ngo Erimeri Otu Nkeji, iri Tinkom ise na**
N'usoro idi na otu Nke ndida ndida bu otu. Mbu n'uche aka chiburu mba Tanzania Larala muo bu Julius Nyere, Isi Odichi Madagascar and Vietram, ekwekori taala irukoo oru onu maka mmepe oru ugbo usoro nke aku n uba Madagascar. Obodo abuo a binyere kootara aka n'ime akwukwo ha na otu UN na ahu maka erimeri na oru ugbo (FAO) ma ziga kwa ndi okachaa mara si mba Vietnam inye aka n'usoro oru ugbo Madagascar.

Dika nkwekorita a siri di Vietnam ga enyere madagascar aka na afo ato n'ihu, ichoputa ma hanzie na mmejuputa umu obere oru ngo gbasoro ihe madagascar choro. Oru Ngo a ga eweepu umu Nsogbu Ogbata uhie ga ekechi Nkwalite Nkoputa erimeri n'etiti obodo. Oga enwe Nkwado enyem aka obodo abuo a, na FAO.

Na akwukwo ozi Nke FAO Weeputara, ha mene ka mmata na Njiko aka otu ndida ndida ga enye aka ukwu ebe obodo ndi na etoolite etoolite no n'usoro onodi mmpe di iche iche, tinyere nkwado obodo obula nwere muo nyepu ha na FAO. Oru a na aga usoro amuma FAO jiri kwado Nche-kwa erimeri (SPFS) na enyere obodo aka n'ihe nrita n'aka ndi okacha mara si obodo mmepere emmepe. O bu Dokita Jacques Diouf ji okwa Director General ulo oru FAO malitere agbam onya oru a n'ime afo 1997. Amuma puru iche banyere nche-kwa erimeri adila ire n'etiti obodo iri ise ebe iri ato ketere oke n'ime Afrika, iri na abuo si Asia, na Near East, Isii si Latri America, abuo si Europe ebe otu si Occeania bu nke achikota oru di iri percent isii n'etiti umu obodo daa ra mgbenye na uwa nile.
*FAO ORG*

**Japanes Aturu Mkporo Na Thailand Amaliteela Ngbere Ahia Urukububa Na Ghana Iji Kute Ume Ndu** **Otu Nkeji Iri Tinkom ano na ato**

Ogbei Nche ndu oke ohia na Ghana amaliteela mgbasa osi ime ka oha na eze mata Nche-kwa urukububa enwetere na ndu oke ohia. Ihe kariri udi urukurububa iri abuo nwere usoro ahia mgbere ka achoputara na mba Ghana. Ndia gunyere ama ama mgbe obula dika Diopetes Kakumi, Mylothris atewa, Epitola asibeyi na urukurububa odida Anyanwu Papillo antimachus na Nku ya di iri abuo na ise cm. Papillo antimachus na ada onu ego ruru otu nari US Dolla. Ndi ozo nwere ike irite onu ego US Dolla abuo na otu na otu bu ego gbara okpuru n'akwukwo ego mba Ghana-bu Cedi.

Ahia Mgbere Urukuruba ruru otu nari US Dolla. Ndi otu oru Nche-kwa oke ohia mba Ghana, kwenyere na ha ga enweta onu ego di Puku otu nari na iri se US Dolla kwa afo site na itu mgbere urukurububa. Oku ikpe azu a malitere mgbe otu iho oru igwe Redio wuru na ekechieala otu onye Japanese na esi oku Urukurububa na Thailand n'aka ndi oru nche kwa ndu oke ohia ebe ahu. Atubara ya n'ulo mkporo wee rue mgbe ndi omumu ihe gbasatara anu nke Mahadum Thai Chooputara udi o bu. Akuko a bu iher mkparita ububo ochi na Ghana. Mana onyere ohere onye osoje isi oru Nke ndu oke ohia Ghana bu mazi Nick Ankudey ikuziri ndi obodo ya uru na Nche Kwa Oke ohia bara. Niajiria so n'ime obodo Afrika nile Kachasi nwe udi urukurububa udi obula. Enwere otu Puku udi u'rukurububa Obula na Naijiria, ebe ana enwete. Kariri ya bu na ogbe oke

ohia mmiri ozuzuo di na ndida ouwa anyanwu.

*Edward Ameyibor.*

## *Ngalaba Umuntakiri*

**Hippo Enweghi Azu** **Nkeji abuo na otu Timkom.**

*(Akuko a na akowa ihe Hipp oji agbasasi nsi ebe nile. Akuko a bu ifo agburu nile n'etiti Afrika mara Nke oma ma o bu ezi okwu na onye malitere ya bu nwoke bi na ohia )*

Mgbe enyere umu anumanu nile ebe obibi n'etiti uwa, anumanu hippo rioro ka ekwe ya biri ebe mmiri juru oyi no bu ebe di ya nnukwu mkpa. Enwere umu ihe gbagwoju anya banyere ha ibi na mmiri, onu ha buru oke ibu, eze ha tooro ogologo ma di kwa Nko, udi ha buru ibu ebe afo adighi eju ha eju, nke meere umu anumanu ndi ozo jiri tuo ujoo na ha ga erichapu umu azu no na mmiri. Na agbanyegi enyela umu anu ndi ozo ibi na mmiri dika aguiyi Odighi ma ikwe ka nnukwu anu obuo buru oke ibu ibi na osimmiri Aririo Hippo kuru afo n'ala. Agwara ha na enweghi ike ibi na obosara ala na ahihia kuru.

Na nuru akuko a, Hippo abuo a malitere ibee akwa na ti mkpu mere mkpotu di ukwu. Ma ha riogidere, ewe meere ha mbu na obi ha. Ma echetere umu anu hippo a n'oburu na ha ebiri na osmmiri ka ha ghara iri azu. Ha kwesiri ita ahihia dika nri. Hippo kwenyere ma jiri oso gbapue osimmiri na obi anuri. N'ubochi taa hippo na effesa nsi ya na ikpere osmmiri ka umu anumanu hu kwa na nsi ya ebughi okpukpu azu ma otu. Dika isi hu ha nwere onu n'ihu ochi n'ihi na ahapuru ha ibi n'ime osimmiri.

*When Hippo Was Hairy*

**Kedu Etu Agwo Si Ari Elu Nneghi Ukwu** **Iri Tinkom abuo na itolu**.

Agwo obula Nke na ari elu nwere mkpekele siri ike na okpuru afo ya. Nkea ka ana kpo ventral scales. na asusu bekee. Mkpekele ndi na ejisi osisi ike wee na adoo onwe ya ari elu. Agwo obula nwere anu ahu siri no na agiri ahu ha. Ka anu ahu a na aga o na ebu agririga, usoro ventral scales na esonye ogwurugwu ndi ozo iji nyere agwo iga Njem.

*Chogologo*

**Usoro Itu Ahia Nche-Kwa: Nwere Oke Uwa** **Iri Tinkom ato na isii**

Elu ala Nke anyi bi n'ime ya buru ibu ka ugbo mmiri ato na isii mana enwere onu ogugu ibu n'umu ihe nd ozo okwesiri ibu N'udi na ugbo mmiri adighi ebuwe ibu ma o bu too etoo, ebe ihe enwere ime ya peere mpe. Oburu na ndi mmadu aghazi onu ogugu ubara ya, ha jiri ikikere Elu Uwa egwuegwu n'umu aku ndi ozo tinyere obosara ala, Ugbo mmiri a n'ihe obu n'ime ya gaa agbawa ma mebie. Nke ga bu ogwugwu mebi mmadu n'elu uwa.

*Ryoichi Sasakawa, Japanese Philanthropist.*

**Oke Bekee N'umu Odum** **Nkeji asa na iri Tinkom ise na isii**

Odum nwere umu ise, ma otu mgbe anu malitere igu ha aguu, ma ha di obere iso achu nta, ma chotara ha onye nileekota anya. Otu ututu okpara uri jee rue uzo ebe okporo egwuregwu ma na eleepu kwa anya ihu anu oga egbu. Ogafere mbe na egbuighi oge ma mbe ji nwayo aga maka inwa ndidi onye obula. Nkita ohia gbara oso gafere ya na nkponwu ahu ma keele ya n'ujoo, mana odum eleeghi ya anya. Enweghi ntukwasi obi obula n'umu obere oru na Nkita ohia na agbanyegi nleeta umu ya. Ugbu a ndidi odum gwuru o malite ichu nta n'ime ohia n'ike n'ike otu mgbe ihe di oji ma o bu ocha ji oso gafee ya---kedu ihe bu ihe a Ah - Oke bekee!

Kwusi otu mgbe bu onyereya iwu, odi gi osiso ugbua na ichoghi ikeele m? "Ututu oma, nne nne" Oke bekee kwuru na obi ume ala. "Kedu ka imere na omarichaa umu ise gi? O bu maka ha ka m choro ikwu okwu ha odum gwara ya. O tu onye ga enwe ugwu na Nsopuru imee nleekota anya umu aka ka m ka wee chuwa nta. "Kedu etu onye ga esi enwe ugwu" Oke bekee kwuru n'ime muo ya. O ga bu gi odum zara ya. Odi mma na igosiputara onwe gi inwe ntukwasi obi ma di kwa na Njikere ime Nkea! Agam na ewetere gi anu, ubochi nile, i ga ekee wee nye umu aka mghath-ngha. A gam na eleeru ha anya kwa mgba kwa mgbe ya bu kpachapu anya Nke oma. Oru gi amaliteela otu mgbe n'ihi na onweghi onye Nke na eleekota ha anya Ugbua, oka mma na imere osiso. Ka odum kwuchara Nke a Ogbabara ohia ichu nta n'ihi na Nsogbu ya agwula.

Ma Nsogbu oke bekee amaliteela. Oji iwe ma ukwu n'ala, inu kwu nkwanye ugwu, Nkea bu okwu ime mu o ya. Nkea gosiri na ya agaghi enwe nri n'ututu a. Okara ya icho ebe di mfe ya ga edoobe umu odum a. Ka o na awuchapu oke bekee egbughi oge. Echiche ya no na acho uzo oga esi erita uru n'onodi a. Ka odi onye bu nne odum? na igba ohu na Nkiti. Oke bekee chotara obere olulu bu ebe odebere umu odum bu ebe ihe agaghi emeetule ha. Kwa ubochi nne odum na eweeta anu, mana ajuju si, Kedu ka umu m di? Ka m hu ha.

Oke bekee ga azaa ya si na ha na etoo na agbasi kwa ike O ga etinye aka n'ime olulu ebe odebere ma seekpuru ha na nti igosi nne Odum. Etu ka osi eme ya na otu na otu. Ma etu osila di oke bekee na agbara onwe ya azi enye umu odum obere anu. Ka ubochi na agafe, ha nwuru ofozi otu ime ha' Mgbe nne odum biara ileeta umu ya. Oke bekee ga eji oso igosi otu nwa ya foronu ka oghara imata etu osiri taa ahu. Mana otu nwa ka ga eweeputa ugboro ise. Oteeghi aka otu nwa odum a nwuru onwu. Oke bekee matara Nke oma na oburu na nne odum aruata nke a na oga aru ya oru n'ahu, owee cheeba echiche ime otu mgbe.

Na egbughi oge oke bekee, bara ohia ebe ogwu juputara weere mee ka ogwu ndi dukasi akpukp ahu ya. Owee looghachi azu n'a olulu ebe odebere umu odum wee gbatipu onwe ya. Mgbe o huru na nne odum alooghachi waala, omalite ibee akwa na atugbu onwe ya n'ihi oke ihe mgbu n'ike ogwugwu. Kedu ihe na emenu? nne odum ji olu ike wee ju o. Kedu umu m? Ezi m oma, ezi m oma, oke bekee zara ya. Anon na eleekota umu gi anya mgbe otutu Adaka biara luso m ogu wee rie umu gi. A gbara mbo izoo ha, mana kedu ka nani m ga esi ebuso umu Adaka ndia agha? Alagburu n dika isiri hu. Nne odum kwenyere na akuko odum na o bu ezi okwu. Oleere anya na Adaka di otutu ma ochoro ihe gosiri n'obu ezi okwu. Oke bekee gwara ya na aga aru obere ebe nzuzo ahihia juputara ka izoo onwe gi n'ime ya. A ga m atusasi ahukere n'etiti ogbe a iji wee rata umu Adaka, ka ha jiri onu ha mee Nkwuputa Njoo ha. Mgbe inu chara nkwuputa Njoo ha inwere ike iwapo ha, mana iga ezi ka m odu ha olee igburu m ga eji amata.

Odum kwenyere, ma zoo onwe ya. Oteeghi aka umu adaka awuchie dika ahukere siri rata ha. Oke bekee no na elu osisi, ma dabere na amataghi mgbe umu Adaka jiri wuchie. Na Nkiti otuturu otu ahukere tinye n'etiti mkpisi aka wee na agu egwu si.

Maka umu aka ndi any riri
Onweghi ihe mere anyi

Adaka bu ndi nomi nke oma. Nnukwu Adaka du ibe ya agafee gboro nti wee nu ihe oke bekee na agu na egwu. Ya nwa na onwe ya atuturu otu ahukere tinye kwa ya n'etiti mkpisi aka ya wee malite igurita egwu ha oke bekee. Maka umu aka anyi riri, igwe Adaka ndi ozo norue ala wee nomiri onye isi ndu ha na oke olu igu egwu a. "Onwueghi ihe meere anyi, Onweghi ihe meere anyi".

Onweghi mgbe nne odum jiri nu Obere Olu Oke bekee mana onuru nke umu Adaka. Iwe malitere iwe ya Nke ukwu. Owee bugharia odu ya, wee bilie iwapo. Umu Adaka anughi uzu ya nihi egwru ha na agu n'ihi na odara ha na mberede, mgbe nne odum jiri wapo ha gbue otutu ha ma beepu kwa odu ha. Oke bekee kwu Odumn na azu wee na atutu odu ndi nke ebeepuru. Ka ogbusiri umu Adaka nile a na enweghi ike igba oso ndu ha, nne odum nodiri ala na ume oku iji wee nwete onwe ya. Oke bekee ji nwayo gara Njem si ya na azu ma jighide ukwu odu Adaka n'aka ya. Lee Adaka olee m gburu iji gbata ugwo umu gi. Olee ka igburu. Mana nne odum enweghi odu Adaka Obula igosi.

*Shangani Folktales.*

**Kedu Ihe Agu Ji Edobe Nri Ya Na Elu Osis** **Otu Nkeji na Iri Tinkom ise na**

Mgbe gara aga ndi Afrika na eforo umu ha ifo a, ennwere enyi ato, Omaricha Agu, Anu ohia dika Nkuta ise na Nkita ohia Ha ato na agakota kwa ubochi nile. Mgbe obula Agu gbutere anu ona eriforo ndi enyi erimeri. Otu ubochi Agu daara oria, nihi ya onweghi ike ichu nta. Okpo anu ohia dika nkita ka ocho nta erimeri ha ihi na ahu adighi m. Ma ozara ya na ya adighi ike ka ozie nkita ohia. Nkea meere Agu jiri kpoo nkita ohia, ka ochuo nta ubochi taa n'ihi na ahu adighi ya ike imee Nkea. Mana Nkita ohia zaa kwara na ukwu ya bu onya.

Na udi omume a, Agu ji iwe wee kwue echem na anyi bu enyi, ma unu abughi ndi ezi enyi ndi ume ngwu abuo. Onweghizi mgbe m ga eji ahapuru unu erimeri ma m gbute anu. Malite na ubochi taa gaawa n'ihu a ga m ahu na mmezuru nkea. The obula Nke m riforo aga m ekobe ya na elu osisi, mgbe mnrijuru afo Onweghi onye unu aka ya ga eru ebe ahu. Agu kwuru na okwu ya, malite mgbe ahu wee gaa wa Onweghi mgbe ojiri hapuru ndi enyi anya ukwu erimeri. Na elu osisi ka nri oriforo na adizi bu Nke na adighizi eru ndi'enyi aka ma otu. Ha malitere iri umu ihe ree uree bu nri umu anu ndi ozo riforo. O bu ubochi ojoo mgbe ha daapuru na enyi Agu.

*When Hippo was Hairy.*

UMU AKUKO BARA URU

**Chi Ekere Uwa Emmesila India Steeti Ike** **Iri Tinkom ano na ano**

Ihe kariri ndu Puku mmadu asato nwuru pii odi nso a mgbe ajoo uzo abuo ikuku kuru, omebiri ihe kariri ime obodo iri na asato na ikpere mmiri Nke ogbe Orissa na India. Dika akuko otu UNICEF siri Kwue onu ulo Nde ato ka ometulere ebe Nde mmadu iri enweghizi ebe obibi. Umu ihe akuku ubi gwuruagwu na obosara ala di otu nari na iri ano kilometer.

Otu ndi ozo di iche iche na UNICERF ezi gaala ihe iku aka na obi nyere ndi ometutere. Otu UN no na amuma iga na noro na Orissa wee rue afo 20002 bu mgbe aturu anya na Orissa aga atuteghari ume ya ozo.

**Kenya No Na Amuma Itinye Nani Otu Odu Ugbo Mmiri Onwere N'usoro Ahia Mgbere** **Otu Nkeji na Tinkom abuo**

Isi ochichi Kenya no ugbua na amuma itinye nani otu odu ugbo mmiri Nke akporo kilindini Harbur, ma ihe otutu jiri mara ya bu Mombasa Port n'usoro ahia mgbere n'ihi oke iri ngari ndi oru Kenya Ports Authority. Oteelariri omuma maltere dika ihe ikpe azu ha ga eme ma o buru na gomenti enweghi ike ikwusi iri ngari aka azu bu Nke Kputoro aha Kenya Ports Authority. Dika akwukwo akuko siri kwue nso nso a, Okatoro etu ndi oru ulo oru Kenya Authority esighi nwe ike ileetafu umu ibu ndi na abatanu anya, mana ahapu ha igafee atughi ntu isi obula ma o bu mie ala ma o bu zusie ha mgbe abali tupu ana etinye umu ibu ndi enweghi onye gbara n'usoro onodi ahia. Mana ndi nile nkeji okwa siri ike banyere odu ugbo mmiri a na agba isi akwara gbaghide amuma a. Ndi otu Ndorondoro si mpaghara ikpere mmiri, Puku asato ndi otu Dock workers tinyere ndi Nkiti nupum isi maka amuma a, ha akwadogo akwukwo ula Nke ga eso itinye ahia mgbere a.

*Newslink Afrika*

**Enweala Ubara Ndi Nke Na Enweghi Nne Na Nna N'ime Afrika** **Otu Nkeji na Tinkom ano**

Otutu umuntakiri Nke oria mmikpo meere ha ghara inwe nne na nna na abawa nye n'etiti ime Afrika, na ngwucha afo ozo onu ogu ha ga adi Nde iri na ato n'etiti uwa nile bu ndi Nke aga napu ope kata mpe otu percent n'oria, Nkea bu Nchoputa otu ohuru United Nation na agbam onya mmeme Ubochi Oria mmikpo etiti. Uwa nile n'ime onwa iri na abuo. Ozi a kwuru n'umuntakiri oria mmikpo napuru nne na nna kachasi di na owuwa anyanwu na ndida Nke Afrika di ka Nchikota akwukwo oru otu UNICEF na UN maka ego nkwado umu aka ha na otu amuma UN banyere Nje na oria mmikpo siri deputa (UNAIDS).

Na ugwucha afo, a Uwa nile ga amata na ihe kariri Nde umu aka iri na otu ka oria mmikpo napuru nne na nna nke bu iri percent itolu na ise na ogbe sub saharan Nke Afrika. Onu ogugu ndi na enweghi nne na nna di otutu Nkea bu okwu onye ji okwa Executive Director nke otu UNICEF by Carol Bellanry Tupu oria mmikpo eselite isi otutu umuntakiri enweghi nnena nna n'etiti obodo ndi na etoolite etoolite. Ma ugbu otu nwata n'ime iri enweghi nne na nna

*UN News.*

**Un Na Akwalite Nwere Onwe Nke Ndi Ahu Ezughi Oke** **Iri Tinkom ano na abuo**

Amatara na enwere nari Nde Mmadu ise ndi Nke ahu ezughi oke n'etiti uwa nile ubochi taa? Nke a tinyere ha i bu ndi Nke onodi mbu na ise onu ogugu ubara obodo di na elu Uwa. Otu UN akpoo la oku ka n we umu iwu ga enye oke rue onye maka ndi ahu ezughi oke n'etiti ndi nkiti, ndorondoro, itu ndu manu na oke rue onye n'usoro omenala n'etiti uwa nile. Ha koowara oke nwere onwe nke ndi ahu ezughi oke bu ihe kachasi mkpa chere oha na eze aka mgba ubochi taa, otu UN na ario obodo nile inye ha ohere itu akwukwo, onodi oru na obibi ndu ziri ezi bu nke ha ka mgbe.

UN News.

**Umu Ezi Akuko Si FAO** **Iri Tinkom ano na asato**

* Umu akuko abuo esi UN food and Agricultural Organisation na ekwu na enweghi erimeri sitere n'aka mmadu na abughi chi ekere uwa. Nkea bu Nke mbu mmadu na ebu ogbaghara dika ogu nwanne na nwanne na Nsogbu aku n 'uba bu nke butere uko nri karia chi ekeere uwa ibu ogbaghara dika ozi a siri kwue.
* Ihe ruru nde mmadu iri bi na sub saharan Afrika choro mgbata oso enyem aka erimeri Ugbua. Na Somalia otu nde mmadu na anwu n'uko nri ebe Puku nari ano kwu na oke aguu.
* Eweeputaala Dokita Jacques Dionf Nke mba Senegal Nke ugboro abuo ino onodi afo isii dika onye Director General Nke UN Food and Agricultural Organisation, malite n'onwa mbu Nke afo 2000.

*Fao. Org.*

**Umu Ihe Mmasi Ikwesiri Imee, Hu Ma Mara Kwa Nkeji abuo na Tinkom in na isii**

Usoro ohuu na ichu nta. Nkea bu egwuregwu ohuu n'etiti uwa nile, Nke a bu Njikota Elu gbarliriru na ihe egwuregwu ihe nriba ama na odi mma Nche kwa Nke ime muo. I nwenre ike ibughariri umu anumanu ndia karia igbu ha egbu. Ndi usoro ichu nta ohuu a, na enyere ndi oru Nche kwa umu ndu oke ohia ibu jee umu anumanu ndia ebe ha enweghi Nsogbu ana ekeewa ihe nriba ama ma gwuto ha umu ebe ha meruru ahu. Egwuregwu a na ebuli elu onu ego nkwado oru Nche Kwa Oke Ohia. Mana enwere ohere di n'ime ya nwere ike ibutere onye nke ana achu na ochu nta nsogbu.

* Oke ohia Bwindi impenetrable. Amara Nke oma dika ebe onu Ogugu Adaka bi na elu ugwu, ma obere oke ohia bwindi Nke uganda na akwado kwa ufodi oke ohia Nke Afrika di n'uju n'umu anumanu - Osisi nari abuo, nnunu nari ato na iri ise na otu nari umu anumanu.
* Nke kachaa amitara ndi Nke bi n'etiti ogbe ego bu urukurububa di n'udi nari ato na iri ise, ndi olu ha kacha aputa ihe bu umu nnunu na Enwe. Ndi Nke ana achowa acho bu Enyi ohia, ha na agbaje ebe enwere oke ohia n'uju, ebe ndi Nke ana achukariri bu Adaka. Umu Adaka Bindi nwere ihe nrata, nwere ike ibu nnukwu udidi ogo ha na itoo oke akpiri nichi na ileeru anya ha nwere udidi nke mmadu.
* Usu di Ebube ma di Omimu:- Aghotaghi Usu Nke oma mere ejiri. Kwue umu okwu ufu gbasantara udidi ya n'umu akuko ifo rutugasiri aka na o bu amosu. Ma eleezi anya Nke oma, ma usu, n'umu ihe nke na eri m'kpuuru osisi tinyereihe ndi Nke na eri umu ahuhu aga ahu umu ihe ndia:-
* Ma enweghi Usu, nturu umu ifuru na Mgbasa umu mkpuru osisi na nwuegasi umu oke ohia di iche iche ga ebeelata Nke ukwu.
* Ma enweghi Usu Mughari umu Oke ohia agaghi adi
* Ma Usu erighi Umu Mkpuru Osisi Nke akporo (the baobab's) ifuru ihe onunu ma nturu ifuru a, umu udi eze oke ohia ga anwu chaa otu mgbe.
* Usu Puku isii ahuru na nkeji iri na otu abali, erieala umu ahuhu di iri abuo na ato kilogrames, ezi mbibi ahuhu ubi na enweghi Nsogbu obula ebe mmadu na ogige ya no.

*Afrika Environment and Wildlife.*